# MMEKỌRỊTA ASỤSỤ NA IHE NDỊ SO YA: ILEBA ANYA N’ỌNỌDỤ ASỤSỤ IGBO NA BEKEE NA SENCHURU NKE IRI ABỤỌ NA OTU

**Christiana Ngozi Ikegwuonu***
http://dx.doi.org/10.4314/og.v15i1.4


**Ụmịedemede**

Asụsụ dị ka eriri ụdọ jikọrọ mba ụwa. Mmekọrịta mmadụ na ibe ya na-ebutekwa mmekọrịta asụsụ na ibe ya. Mgbe mmadụ na-eme njem azụmahịa n’ebe dị iche iche ma na-akwagharịkwa n’ebe dị iche iche na mba ụwa, mmekọrịta asụsụ na ibe ya na-aga n’ihu maka na ha na-ebu asụsụ na omenaala ha agaghari. Na Naịjirịa, e nwere ọtụtụ agbụrụ dị iche iche na ọtụtụ asụsụ mpunaala dịkwa iche iche ma nwekwa asụsụ mbịambịa bụ asụsụ Bekee, nke bụ asụsụ nwekọ, nke gọọmentị bugoro n’ogo dị elu ka ọ bụrụ nke e ji agbasa ozi ọchịchị na mpaghara dị iche iche, nke mere ka asụsụ a baa ọtụtụ ndị mmadụ n’ụmị ọkpụkpụ. N’ụbọchị taa, ọtụtụ ihe na-esi na mmekọrịta asụsụ na ibe ya apụtazị dị ka o siri pụta ihe na mmekọrịta dị n’etiti asụsụ Igbo na asụsụ Bekee. Ọ bụ n’ihi nke a ka nchọcha a ji eleba anya n’inyocha mmekọrịta asụsụ Igbo na asụsụ Bekee iji chọpụta ihe ndị so ya, na ichepụtakwa ma asụsụ Igbo aka dịkwa etu ọ dị na mbụ, ka o nwere ihe ndị batara na ya ma ọ bụ gbanwere nke metụtara ọsụsụ ya, uru na ọghọm batara na ya. E nwetere ihe ndị e ji dee edemede a site n’ịgba ajụjụọnụ na ige ntị na mkparịtaụka ndị mmadụ. E seere mmadụ ole na ole ọnụọgụ ha dị iri atọ, nke ndị mejupụtara ya gụnyere ndị okenye nwoke, okenye nwaanyị, ndị ntorobịa bido n’agbata afọ iri na ise ruo n’afọ iri asaa. A chọpụtara na o nwere ihe ndị so mmekọrịta a bata n’asụsụ Igbo. Ihe ndị a gụnyere: mbiteokwu, asụmabụọ, adịmabụọ, mmafenye asụsụ, ngwakọ, pijin, asụsụ nkarachọ dịrị gawazie. Uru dị na ya bụ na ọ na-eme ka asụsụ na-eto eto ma ghara ịkwụ otu ebe. A tụnyere aro ka ọha na eze tinye aka n’ịkwalite asụsụ Igbo site n’inye oghere maka nnabata asụsụ ọzọ iji mee ka asụsụ Igbo tozuo n’isonye n’ogo mmepe na-abata site na nkanụụzụ n’oge ugbu a, mana ha agaghị ekwe ka nnabata a napụ ha ịsụ asụsụ Igbo etu o kwesịrị.


**Ọkpụrụkpụ mkpụrụokwu:** Asụsụ, Mmekọrịta Asụsụ, Mbiteokwu, Asụmabụọ, Adịmabụọ

## 1. Mkpọlite

Asụsụ ka mmadụ na ibe ya ji akparịtaụka ma na-enwe mmekọrịta n'ụzọ dị iche iche n'elu ụwa. Ihe niile mmadụ na-eme gbadoro ụkwụ n'asụsụ n'ihi na ọ bụ ya ka e ji ezipụta ha. Nke a mere ka asụsụ dị nnukwu mkpa na mmekọrịta. Asụsụ dị ka eriri ụdọ jikọrọ mba ụwa ọnụ, nke mere ka mba ụwa bụrụ otu ogbe. Ọ bụ ya bụ otu ọkpụrụkpụ ihe na-ezipụta ebe mmadụ si pụta n'ihi na obodo na asụsụ na-enwe mmekọrịta. Ọtụtụ ndị ọkachamara dị iche iche a kọwaala asụsụ, ọrụ ya na njirimara ya n'ụzọ dị iche iche. Asụsụ bụ usoro e kwekọrịtara isi were sụọ ma ọ bụ detu ihe n'ụzọ ndị mmadụ ma ọ bụ ọha ga-esi sonye ma na-enwe mmekọrịta n'omenaala ha. Anagbogu, Mba na Eme (2010) kọwara asụsụ dị ka ụzọ mmadụ si ezipụta mmekọrịta kechiche, mmetụta nke ime mmụọ, nchọ site na njiolu ùkwù ma ọ bụ ederede ọdịmara. Ikegwuonu (2012) kọwara na asụsụ bụ ụzọ omenaala, nkwenye, arụ, nsọala na ọdịnaala dị iche iche si esi n'ọgbọ fere n'ọgbọ. Na nchịkọta asụsụ na-arụ ọrụ n'ụzọ ndị a:

i. E ji asụsụ enwe mmekọrịta
ii. E ji asụsụ eme mmemme
iii. E ji asụsụ akụzi ihe
iv. E ji asụsụ ede ihe
v. E ji asụsụ agbasa ozi n'etiti ndị mmadụ.

N'ịganiihu, asụsụ anaghị eguzọ n'efu ma ọ bụ naanị ya ma ọ bụ kwụrụ otu ebe n'etoghị eto. Ọ ga-egozọrịrị n'etiti ndị mmadụ na-asụ ya bụ asụsụ n'obodo. Ọ bụ asụsụ na-ezipụta onye mmadụ bụ n'ihi na obodo na asụsụ na-enwe mmekọrịta. Asụsụ dị ka akụrụ ngwa e ji enwe mmekọrịta n'etiti mmadụ n'ibe ya na-agbanwe mgbanw a nke na-emetụtakwa ọnọdụ asụsụ. O nweghịkwanụ mgbe asụsụ ga-eji nọrọ naanị sọ ya na-enweghị ka ya na asụsụ ndị ọzọ gbara ya gburugburu ghara ịdị na-enwe mmekọrịta. Nnukwu ngagharị, nkwagharị na azụmahịa mmadụ na-eme n'obodo dị iche iche na-emetụta ọnọdụ asụsụ ọ bụla kpọmkwem. Mmekọrịta asụsụ na-apụta ihe mgbe asụsụ abụọ ma ọ bụ karịa bịakọtara ọnụ. Mgbe asụsụ abụọ bịakọtara ma nwee mmekọrịta n'etiti onwe ha, a ga-enwerịrị mgbanwe. Ọ bụrụkwa na ndị mmadụ na-asụ asụsụ dị iche iche nwee mmekọrịta mgbe ha nọkọtara ọnụ n'ihi azụmahịa ma ọ bụ ọchịchị ma ọ bụ ekpemekpe, asụsụ ọhụrụ nwere ike isi na ya pụta iji nyere ha aka ka mmekọrịta were dịrị ha mfe. Mmekọrịta asụsụ n'ibe ya na-apụta ihe mgbe niile.

E nwere ike ịhụ nke a n’ebe a na-azụ ahịa, n’ụlọ ụka, n’okporo ụzọ, n’ebe a na-eme mmemme, n’ọchịchị ndị Bekee dịrị gawazie. Okorji na Atadoga (2006) kwuru na ihe ọ bụla bụ ihe bukọtara ndị mmadụ dị iche iche ọnụ bụ asụsụ nke bụ isi sekpụ ntị ma bụrụkwa bụ ụzọ mgbasa ozi, amamihe, echiche na omenaala na-esi enwe mmekọrịta. Mmadụ dị ka anụ na-agba mbọ nke ukwu na-achọrịrị mgbe niile ụzọ ọ ga-esi nwe mmekọrịta, enwe mmeri n’agha ma ọ bụ mmekọrịta n’ihe gbasara azụmahịa, mmekọrịta mmadụ na ibe ya, ọchịchị, ekpemekpe, ma ọ bụ agụmakwụkwọ. Ụdị nzukọta ọnụ ndị mmadụ ndị a dị ka Emenanjo (1990) kọwara bụ nzukọta ma ọ bụ mbịakọta ọnụ asụsụ abụọ ma ọ bụ karịa n’otu mpaghara ma ọ bụ obodo. Nke a na-ebute ọtụtụ ihe n’asụsụ nke nwere ike ibute ihe nke ga-emetụ asụsụ obodo. Iji maa atụ, a bịa n’asụsụ Igbo, anyị ga-achọpụta na o nwere ọtụtụ ihe metụtara ọsụsụ na ọgụgụ ya kemgbe asụsụ Igbo na asụsụ Bekee nwere mmekọrịta site n’ọbịbịa ndị ọcha na ọchịchị ha. Anyị ga-achọpụta na asụsụ Igbo adịghịzịkwa etu ọ dị na mbụ. O nwere ọtụtụ ihe ndị batagara na ya. Ọ bụ ya kparitere mmụọ nwa nchọcha n’ileba anya ma chọpụta etu mmekọrịta asụsụ Bekee siri metụta ọnọdụ na ọsụsụ asụsụ Igbo na ndokọ ya n’ụzọ dị iche iche.

Edemede a nwere nkega iri. Nkega nke mbụ bụ mkpọlite. Nkega nke abụọ kọwara nsogbu nchọcha ebe nkega nke atọ kọwara usoro nchọcha. Nkega nke anọ kọwara ihe bụ mmekọrịta asụsụ. Nkega nke ise zipụtara ọnọdụ asụsụ n’ala anyị Naịjirịa. Nkega nke isii zipụtara ntụcha na nhazi ihe ndị a chọpụtagasịrị. Nkega nke asaa zipụtara uru dị na mmekọrịta asụsụ, ebe nkega nke asatọ zipụtara ọghọm. Nkega nke iteolu zipụtara ntụnye aro, ebe nkega nke iri bụ mmechi.

## 2. Nsogbu nchọcha

N’ala anyị Naịjirịa, asụsụ Bekee bụ otu ọkpụrụkpụ asụsụ ma bụrụkwa asụsụ nwekọ a na-asụ nke na ya na asụsụ mpụnaala dị iche iche na-enwe mmekọrịta n’ụzọ dị iche iche site na mgbe ndị ọcha butechara oziọma na ọchịchị ha na mpaghara obodo dị iche iche. Nke a mere ka asụsụ na ibe ya nwee mmekọrịta. Mgbe asụsụ na ibe ya nwere mmekọrịta, ọtụtụ ihe na-esi na ya apụta. Mgbanwe na-esikwuazị na ya apụta. O doro anya n’asụsụ Igbo na asụsụ mpụnaala ndị ọzọ dị n’ala anyị Naịjirịa na-enwe mmekọrịta n’ụzọ dị iche iche, mana ebe nchọcha na-eleba anya bụ na mmekọrịta asụsụ Igbo na Bekee iji

chọpụta etu mmekọrịta a siri metụta asụsụ Igbo na ihe ndị si na ya pụta.

## 3. Usoro nchọcha
Nchọcha gbasoro usoro sọvee, tinyekwara nleluanya. Nchọcha dabeere na mkparịtaụka ndị mmadụ n'ọgbakọ, n'ọmaahịa, n'ụlọụka, na ụlọnzukọ were nweta ihe ndị e jiri were dee ihe site n'inyocha usoro ndokọokwu ha na etu e si ji asụsụ Igbo ede ihe, tinyekwara asụsụ ndị mmadụ nọ n'agbata afọ iri na ise ruo n'afọ asaa. Ọnụọgụ ndị e jiri mee nchọcha mejupụtara na ndị gụrụ akwụkwọ ma ndị agụghị ma nwoke ma nwaanyị tinyekwara ndị ntorobịa.

E jikwa ịgba ajụjụ ọnụ nke enweghị ọnọdụ ma ọ bụ usoro pụrụ iche a kwadooro ya were nweta ihe ndị e ji de ihe, nke mere ka ndị a gbara ajụjụ ọnụ ghara ịkwado ọsịsa ajụjụ ha n'ụzọ pụrụ iche ma ọ bụ tinye uche ha nke ọma. Nke a bụ iji nweta asụsụ a chọrọ etu o kwesịrị n'akụghị ha mmiri nyere ụmụ amaala Igbo ndị bụ ọsụmabụọ iji chọpụta ka asụsụ Igbo na nke Bekee siri enwe mmekọrịta na etu asụsụ Bekee siri metụta usoro ọsụsụ asụsụ Igbo. A tụlekwara ihe ndị a chọpụtagasịrị ma tụlekọrịtakwa usoro ha were detuo ha etu o kwesịrị iji mata ma o nwere oghere dị.

## 4. Mmekọrịta asụsụ
Ọtụtụ ndị ọkachamara akọwaala mmekọrịta asụsụ n'ụzọ dị iche iche dị ka o si metụta onye. Mmekọrịta asụsụ na-apụta ihe mgbe asụsụ abụọ ma ọ bụ karịa bịakọtara ọnụ. Ya bụ mgbe mmadụ si ebe dị iche iche na-asụ asụsụ dị iche iche bịakọtara ọnụ na-enwe mmekọrịta n'onwe ha n'ụdị azụmahịa ma ọ bụ ọchịchị ma ọ bụ mmeri n'agha ma ọ bụ adọta n'agha, asụsụ na ibe ya na-enwe mmekọrịta. Mmekọrịta asụsụ na-emetụta omenaala na ọdịnaala ndị n'ụzọ dị iche iche. Mackey na Ornstein (1979) kọwara na mmekọrịta asụsụ bụ ihe gbasara mmekọrịta nke pụtara ihe site na mbịakọta ọnụ nke ndị mmadụ na-asụ asụsụ dị iche iche. Agbedo (2007) kọwara na mmekọrịta asụsụ na-apụta ihe mgbe ndị mmadụ si ebe dị iche iche si na ntọala dị iche iche na-asụ asụsụ dị iche iche gbakọtara ọnụ otu ebe nke nwere ihe kpatara ya. N'ịganiihu, Emenanjo (2005) kọwara na mmadụ nwere mkpa nke anaghị agwụ agwụ, mmekọrịta, mmeri n'ihe ma ọ bụ nchakpado n'ihe gbasara ndụ dị ka azụmahịa, mmekọrịta mmadụ na ibe ya, ọchịchị, ekpemekpe ma ọ bụ agụmakwụkwọ. Ụdị

nzukọ ma ọ bụ nnọkọ mmekọrịta nke mmadụ na ibe ya na-eweta mmekọrịta asụsụ abụọ ma ọ bụ karịa n'otu mpaghara, obodo ma ọ bụ mba. N'uche nke ha, Rene na Pieter (1987) n'ime Mbah (2017) kwuru na mmekọrịta asụsụ n'ụzọ mmetụta gụnyere ụzọ ihe ise nke mbiteokwu na-apụta ihe na ya. Ụzọ ihe ise ndị a gụnyere: mbịakọta, nnabata omenaala na ibe ya, mbite mkpụrụokwu, ọmụmụ asụsụ nke abụọ, relifikeshọn na nṅomi usoro nkwanye ugwu mmekọrịta asụsụ so n'otu ihe dị mkpa a na-ahụ anya metụtara mgbanwe asụsụ. Williams (1991) kwuru na mmekọrịta asụsụ mgbe ụfọdụ na-ebute asọmpi. Nke a pụtara na mgbe e nwere asụsụ abụọ ma ọ bụ karịa n'obodo, na nke ọ bụla na-agba mbọ ikwudolu n'onwe ya. Asọmpi a na-eme ka amata nke ga-abụ ọkacha ibe karịa ndị ọzọ bụ nke onye ọ bụla ga-eji were enwe mmekọrịta.

Schmied (1991) kọwatụrụ ya ka ọ pụta ihe site n'ikwu na mgbe asụsụ dị iche iche mekọrịtara na ihe ndị na-eso ya na-adabere na ka agwa ndị nwe ya bụ asụsụ na-akpaso ya bụ asụsụ ahụ. Ọtụtụ ndị mmadụ enweghị ike ichekwa asụsụ nna nna ha ma ọ bụ hapụ asụsụ ndị ọchịchị, kama ha mepụtara asụsụ ọhụrụ dị ka pijin nke gbadoro ụkwụ n'asụsụ ndị dị na gburugburu ahụ. N'agbanyeghị na pijin nwere ike isi na mmekọrịta asụsụ pụta, ihe ndị ọzọ nwekwara ike isi na ya pụta, ihe ndị ọzọ nwekwara ike isi na ya pụta nke gụnyere mbiteokwu, mgbanwe asụsụ, ọnwụ asụsụ, nhapụ asụsụ, ngwakọ asụsụ, mmafenye asụsụ, nkwugbu asụsụ, rilefisikeshọn dịrị gawazie.

## 5. Ọnọdụ asụsụ n'ala anyị Naịjirịa

O doro anya na ọ bụ site n'aka ndị Bekee ndị Briten, ndị chịrị ala anyị Naịjirịa na mgbe ochie ka asụsụ Bekee siri bata. Site na mgbe ahụ ka asụsụ Bekee guzoro n'ogo dị n'elu. Ndị ọchịchị ala anyị sokwa were bugo ya ka ọ bụrụ asụsụ nwekọ nke e ji akpa ihe gbasara ọchịchị, mmebeiwu, agụmakwụkwọ, azụmahịa na ọtụtụ mmekọrịta ndị ọzọ dị iche iche. Ukaegbu (2018) kwuru na ụmụ amaala Naịjirịa na-asụ asụsụ Bekee karịrị pecentị iri asatọ n'ọnụọgụ, tinyekwara ndị ọkachamara gụrụ akwụkwọ. Ihe o ji dị otu a bụ na asụsụ Bekee bụ asụsụ e ji akụzi ihe n'ogo agụmakwụkwọ dị iche iche n'ụlọakwụkwọ dị iche iche na Naịjirịa n'agbanyeghị na ọtụtụ ụlọ akwụkwọ na-enupụ isi na ntụziaka polisi ala banyere agụmakwụkwọ. Otu ihe sokwa eme ka asụsụ Bekee gbanye nnukwu mkpọrọgwụ na Naịjirịa bụ maka ọtụtụ asụsụ dị iche iche dị na ya, tinyekwara enwseghị polisi ala banyere asụsụ. Dị ka Igboanusi (2001) kọwara na a bịa na Naịjirịa,

asụsụ Bekee bụ asụsụ e weere ka asụsụ nwere ugwu pụrụ iche karịa. Ndị ọchịchị ala anyị sokwazị welie ugwu ya elu site n'ime ya ka ọ bụrụ asụsụ nwekọ ma bụrụkwa asụsụ ala anyị, ebe Awụsa, Igbo na Yoruba ga na-eso ya. Ndị omebeiwu ala anyị bụ sọsọ asụsụ Bekee ka ha ji eme nzukọ ma na-eleghara ọkpụrụkpụ asụsụ atọ ndị a anya. Nke a were bụrụ ihe jọgburu onwe ya ma bụrụkwa ihe mkparị nyere asụsụ mpunaala anyị. Ịsụ ma ọ bụ iji asụsụ Bekee eme ihe mgbe niile na-emegide asụsụ mpunaala anyị n'ụzọ dị iche iche na n'ogo dị iche iche.

## 6. Ntụcha ihe a chọpụtagasịrị

Nchọpụta e mere gosiri na o nwere ihe ndị si a mmekọrịta asụsụ Igbo na Bekee pụta. Ihe ndị a gụnyere:

### 6.1 Mbiteokwu:

Mbiteokwu bụ o zuru mba ọnụ. O nweghị asụsụ a ga-asị na o zuchara oke n'ihe a chọrọ n'imepụta mkpụrụokwu niile e ji ekwu okwu ma werekwa ede ihe. Uba-Mgbemena (2006:64) kọwara na "ihe kpatara e ji ebite mkpụrụokwu n'asụsụ ọzọ bụ na ọ dịghị asụsụ ọ bụla nwezuru mkpụrụokwu e ji ezirịta ozi." Mba bite okwu, mgbe adịghị anya okwu ahụ abụrụzie nke ndị ahụ biiri ya. Mbiteokwu bụ usoro e si webata mkpụrụokwu asụsụ ọzọ ka ọ banye n'ime asụsụ ọzọ iji mejupụta mkpụrụokwu ndị ahụ asụsụ ahụ enweghị nke batara site n'agụmakwụkwọ, echiche ọhụrụ nke sitere na nkanụụzụ. Ikegwuonu (2013:56) kọwara na mbiteokwu bụ "usoro a na-esi ebite okwu n'asụsụ ọzọ tinye n'ọzọ iji mee ka mkpụrụokwu dị n'asụsụ ahụ mụbaa." Mgbe asụsụ bitere okwu n'asụsụ ọzọ, ọ ga-ahazi okwu mbite ndị ahụ ka ọ daba n'usoro ụdaasụsụ na mmebeokwu. Nkamigbo (2018:46) kwuru na "mgbe asụsụ bitere mkpụrụokwu, ọ naghị akwụghachi ya kama ọ ga-eweghari ya." Ọ dị mkpa ka anyị mata na asụsụ wegharịchaa okwumbite, ọ ga-ahazị ya ka ọ daba na fọnọlọjị, mmebeokwu na usorookwu ya. Radford (1999) kọwara na mbiteokwu bụ nke malitere n'otu asụsụ (ma ọ bụ olundị), nke asụsụ ọzọ nabatara ma were ya eme ihe, tinyekwara ndị mmadụ ndị amaghị ka e si asụ asụsụ binyere ebinye.

A bịa n'ala Igbo, ndị Igbo bụ ndị e ji nṅomi were mara nke ukwu. Site na mmekọrịta ndị Igbo na agbụrụ ndị ọzọ na site na ndị Igbo iṅomi asụsụ agbụrụ ọzọ tụmadị asụsụ Bekee, ha na-ewebata mkpụrụokwu dị iche iche dị n'asụsụ ndị ahụ tụmadị asụsụ Bekee na

mkparịtaụka na n’okwu ha. Nke a na-eme ka asụsụ Bekee na-abanye n’asụsụ Igbo nke ukwu. Ọkaasụsụ Igbo (1985) kwadoro ịnabata okwu mbite n’asụsụ Igbo iji mejupụta ọchịchọ ụwa ugbu a, echiche na ihe ndị abụghị omenaala Igbo. Nke a bụ iji mejupụta ihe ọhụrụ na echiche ọhụrụ na-apụta n’oge ugbu a site n’ọtụtụ mmepe nke nkanụụzụ dị oge ugbu a.

Mbiteokwu nwere ike bụrụ mbite mkpụrụokwu kpọmkwem n’ozuzuoke ma ọ bụ, nkebiokwu mbite ahịrịokwu ma ọ bụ usoro ndokọokwu. Mgbe asụsụ bịakọtara ọnụ ma ọ bụ mekọrịtara ọnụ, ọ bụghị sọọsọ asụsụ ka mmekọrịta a na-emetụta, ọ na-emetụtakwa omenaala na ọdịnaala ndị n’ụzọ pụrụ iche. Mgbe nke a mere, ọ na-ebute nwebata ma ọ bụ ntụbata mkpụrụokwu n’asụsụ iji chekwaba echiche ihe ndị ahụ niile ebitere. Mkpụrụokwu ndị ahụ ka a na-anabata ozigbo ka ewere mejupụta ihe ndị ahụ. Okwu mbite Igbo sitere n’ọtụtụ asụsụ ndị a: Bekee, Awụsa, Yoruba, Igala, French dịrị gawazie, mana etu o sila dị, ọ bụ naanị nke asụsụ Bekee ka anyị ga-ele nye anya were zipụta ọmụmaatụ n’ihi na ọ bụ na ya ka edemede a gbakwasara ụkwụ.

Ọmụmaatụ mkpụrụokwu ndị e siri n’asụsụ Bekee webata n’asụsụ Igbo:

| **Mkpụrụokwu ndị e siri n’asụsụ Bekee webata** | **Asụsụ Igbo** |
|---|---|
| Engine | njin |
| trouser | traụza |
| Ball | bọọlụ |
| Video | vidio |
| Cable | kebụlụ |
| Motor | moto |
| engineer | njinịa |
| Carrot | karọtụ |
| Torch | tọọchị |
| Wire | waya |
| Radio | redio |
| Pawpaw | pọọpọọ |
| monday | mọndee |
| december | disember |
| electric | eletriki |

Ọ dị mkpa ka anyị ghọta na ọtụtụ ihe ndị Bekee weteere anyị bụ ihe ndị bịara abịa site na mmepe enweghị aha a na-akpọ ha kpọmkwem n'asụsụ Igbo. Ya bụ, ebe ọ bụ ndị ọcha wetara mmepe n'ala Igbo, ọtụtụ ihe ha webatara n'ala Igbo bụ aha ndị Bekee na-akpọ ihe ndị ahụ niile ka ndị Igbo tụgharịrị ma na-akpọ ha n'Igbo. Ọ bụ ya mere ọtụtụ mkpụrụokwu Bekee jiri jupụta n'asụsụ Igbo taa dị ka anyị gosipụtara ha n'ọmụmaatụ ole na ole ndị dị n'elu.

N'ịganiihu, o nwekwara ụdị okwu mbite ndị na-apụta ihe site n'ijikọta mkpụrụokwu si n'asụsụ Bekee na asụsụ Igbo ọnụ ka ha bụrụ otu mkpụrụokwu nke a kpọrọ mbiọgwa. Lee ọmụmaatụ ha:

| **Igbo** | **Bekee** | | **Mkpụrụokwu** |
|---|---|---|---|
| oche | plastic | → | ocheplastiki "plastic chair" |
| ite | pot | → | itepọọtụ "metal pot" |
| ọkụ | electric | → | ọkụeletrik 'electric light" |
| ụzọ | motor | → | ụzọmoto "tarred rood" |
| Technology | ụzụ | → | teknụụzụ "technology" |

Ọzọ kwa, asụsụ Igbo na-esikwa na mbiteokwu n'asụsụ Bekee nweta ihe a kpọrọ mbintụgharị. Mbintụgharị bụ ịtapị mkpụrụokwu ma ọ bụ sụpegharịa mkpụrụokwu dị n'asụsụ ọzọ iji mee ka ọ bata n'asụsụ e bu n'uche. Asụsụ Igbo, site na mmekọrịta ya asụsụ Bekee, mbintụgharị pụtakwara ihe dị ka:

| **Bekee** | **Igbo** |
|---|---|
| blackboard | ụgbọojii |
| fresh fish | azụ ndụ |
| novel | iduuazị |
| chalk | nzuodee |
| pen/pencil | mkpịsịodee |
| handset | ekwemkpanaaka/ekwentị |

## 6.2 Mkpọhie okwu

Mkpọhie okwu na-apụta ihe mgbe e nwere mmekọrịta n'etiti asụsụ abụọ ma ọ bụ karịa. Nke a pụtakwara ihe n'etiti asụsụ Igbo na nke Bekee. Anyị lee anya, anyị ga-ahụ na ụfọdụ okwu mbibi anyị webatara n'asụsụ Igbo bụ nke anyị kpọhiere ka ndị nwe ha si akpọ ha. Ya bụ, mkpọhie okwu na-apụta ihe mgbe ndị mmadụ na-agba mbọ ka

ha zere iwebata asụsụ mpaghara ha etu ha nwere ike wee chọọ ka ha sụọ asụsụ ma ọ bụ kpọọ mkpụrụokwu ka ndị nwe ya bụ asụsụ si asụ ya. N'ịgbakwụnye ihe Hartman na Stork (1972) n'ime Mijinyawa na Hahum (2012) kọwara na mkpọhie okwu bụ mgbọ a na-agba izere iwebata asụsụ mpaghara. Dị ka anyị maara, ndị Igbo bụ ndị na-eme nnukwu njem ebe dị iche iche na kwa obodo dị iche iche. Ha pụọ lọta, ha na-amụta ihe dị iche iche. Ikegwuonu (2013:57) kwuru na ndị Igbo "na-agbakwa mbọ igosipụta ihe ha mụtara site n'itinye mkpụrụokwu ndị ahụ n'asụsụ Igbo." Nke mezịrị na mgbe ha na-agba mbọ itinyezị mkpụrụokwu ndị ahụ n'asụsụ Igbo, ha anaghị akpọtacha ha nke ọma dị ka ndị nwe mkpụrụokwu ahụ si akpọ ha. Dị ka asụsụ Bekee siri bụrụ asụsụ ala anyị, ụmụ amaala Igbo na-agba mbọ ka ha sụta ya nke ọma oge ọ bụla. Ọ bụ ya kpatara ha ji akpọhie ọtụtụ mkpụrụokwu. Lee ọmụmaatụ ndị a:

| **Bekee** | **Igbo** |
|---|---|
| oversea | ofesị |
| surveyor | sọfịa |
| handkerchief | nkachiifu |
| guardroom | gadarum |
| umbrella | mbụrọda |
| double barrel | dọbụrụba |
| hello | aloo |
| brassier | breezi |
| sugar | shuga |

## 6.3 Asụmabụọ

Asụmabụọ sokwa n'otu n'ime ihe so mmekọrịta asụsụ na ibe ya pụta. Nke a pụtakwara ihe n'etiti asụsụ Igbo na asụsụ Bekee. Asụmabụọ bụ mgbe otu onye nwere ike ịsụ asụsụ abụọ n'obodo ma ọ bụ iji asụsụ abụọ rụọ ọrụ. Ya bụ, ebe otu onye na-asụ asụsụ abụọ ma ọ bụ nwere ike ịsụ asụsụ abụọ. Adetuyi na Adeniran (2017) kọwara asụmabụọ dị ka otu onye ịsụ asụsụ abụọ n'obodo. Ya bụ, asụmabụọ nabatara ịsụ asụsụ abụọ n'otu obodo. Ha gakwara n'ihu kwuo na asụmabụọ bụ ebe otu onye nwere ike ịsụ asụsụ abụọ n'obodo asụmabụọ dị n'ime ya mana onye ahụ ga-aka na-asụkarị otu nke ọma karịa nke ọzọ. N'ala anyị Naịjirịa, e nwere ọtụtụ asụsụ mpunaala dị iche iche ha na asụsụ Bekee na-emekọrịta. Ịma atụ, asụsụ Awụsa na asụsụ Bekee na-emekọrịta, asụsụ Yoruba na asụsụ Bekee na-emekọrịtakwa, asụsụ

Efik na asụsụ Bekee na-emekọrịtakwa dgz. Otu aka ahụ asụsụ Igbo na nke Bekee na-emekọrịtakwa. Ọ bụ ya mere na ọtụtụ ụmụ amaala Igbo nwere ike ịsụ asụsụ abụọ. Ya bụ, asụsụ Igbo na asụsụ Bekee mgbe ha na-akparịtaụka. Ọsụmabụọ bụ onye nwere ike ịsụ o pekata mpe asụsụ abụọ. Okorji na Atadoga (2006) chọpụtara na ọtụtụ ndị ọsụmabụọ na-ama asụkarị otu asụsụ karịa nke ọzọ. Ya bụ, ebe e nwere ọnọdụ asụmabụọ, a ga-ewnerịrị asụsụ mbụ na asụsụ nke abụọ. Emenanjo (1990) kewara asụmabụọ ụzọ abụọ:

a. **Nkwụgba asụmabụọ:** Nke a bụ ebe asụsụ abụọ na-arụ ọrụ iche iche nke na e nwere ike iji ha rụọ ọrụ ma ọ bụ mee ihe ebe dị iche iche. Iji ma atụ asụsụ Igbo na asụsụ Bekee nke anyị ji eme nchọcha a zipụtara ezigbo ọmụmaatụ nyere nkọwa anyị. Onye Igbo bụ ọsụmabụọ na-amụ asụsụ abụọ ndị a ebe iche iche na n’oge dị iche iche. Onye ahụ na-amụ asụsụ Igbo dị ka asụsụ mbụ ya ogologo oge bido na mgbe amụpụtara ya ruo na mgbe o ruru ogo agụmakwụkwọ n’ụdị ọnọdụ kempụnụụdị eke ma ọ bụ omụmụ nkịtị ebe ọ ga-amụzị asụsụ Bekee n’usoro a kwadoro n’ụzọ pụrụ iche na usoro omụmụ ụlọakwụkwọ n’oge ọ bụla na ndụ ya.
b. **Asụmabụọ ukwu,** n’aka nke ọzọ, na-apụta ihe mgbe asụsụ abụọ guzo were na-ezipụta otu ụdị mpụtara, nke na-egosi otu ụdị mgbakwasa ma ọ bụ ndabere na otu ụdị omenaala. N’ụdị asụmabụọ a, a na-amụ asụsụ abụọ ndị ahụ n’otu mgbe.

## 6.4 Adịmabụọ

Adịmabụọ pụtakwara ihe n’etiti mmekọrịta asụsụ Igbo na asụsụ Bekee. Mamkjier (1992) kọwara isiokwu a dị ka obodo ebe e nwere ụdị asụsụ abụọ n’otu asụsụ n’obodo nke na nke ọ bụla nwere ọrụ ọ na-arụ kpọmkwem. Yule (1996) kọwara adịmabụọ dị ka ọnọdụ ebe e nwere asụsụ abụọ dị iche iche guzo n’obodo ma nke ọ bụla nwere ọrụ ogo ọha pụrụ iche ọ na-arụ, nke e weere ka nke dị elu maka iji na-eme ihe ọha ma ọ bụ iji kuzi ihe na nnukwu ọgbakọ, ebe e ji nke dị ala akparịtaụka n’ụzọ ọ bụla n’etiti mmadụ na ibe ya, enyi na enyi ma ọ bụ n’ezi na ụlọ n’enweghị nkwanye ugwu pụrụ iche. Mgbe nwa nchọcha na-eme nchọcha were na-agba ajụjụ ọnụ banyere inwete ihe a ga-eji were dee edemede ya, a chọpụtara na e nwere o peka mpe percentị iri asatọ na ise n’ọnụọgụ ọsịsa ajụjụ ndị a gbara ajụjụ mejupụtara n’asụsụ adịmabụọ. Nke a gosiri na-abịa n’ihe gbasara ọha,

na ọtụtụ ụmụ amaala Igbo na-ejikarị asụsụ adịmabụọ eme ihe. Ya bụ, a bịa n'ọgbakọ izugbe, n'ọfiisi, n'ụlọ ụka, n'izi ozi ọchịchị gọọmentị, ọtụtụ ụmụ amaala Igbo na-ejikarị asụsụ Bekee were arụ ọrụ ebe ndị ahụ mana abịa n'ezi na ụlọ, n'ọgbakọ e nwere ndị agụghị akwụkwọ, ụfọdụ bụ asụsụ Igbo ka ha na-eji eme ihe ma ọ bụ akparịtaụka.

## 6.5 Mmafenye asụsụ

Mmafenye asụsụ sokwa n'otu ihe pụtara ihe na mmekọrịta asụsụ Igbo na Bekee. Mmafenye bụ isi n'otu asụsụ gafee n'ọzọ. Mbah, Mbah, Ikeokwu, Okeke, Nweze, Ugwuona, Akaeze, Onu, Eze, Prezi na Odii (2013:71) kọwara na mmafenye asụsụ bụ "mgbe mmadụ na-esite n'otu nkebiokwu ma ọ bụ n'ime nkebiahịrị gafee n'ọzọ mgbe ọ na-ekwu okwu." Kari (2002) kọwara ya ka okwuu iji asụsụ abụọ ma ọ bụ karịa were eme mkparịtaụka n'otu mgbe. Akindele na Adegbite (1999) kọwara mmafenye asụsụ dị ka ụzọ mmekọrịta nke metụtara okwuu ịsi n'asụsụ ọzọ gafee n'asụsụ ọzọ mgbe a na-enwe mmekọrịta ma ọ bụ na-akparịtaụka. N'aka nke ha O'Grady, Archibald na Katamba (2011) kwuru na mmafenye asụsụ bụ ebe ndị mmadụ ndị nwere asụsụ karịrị otu bịakọrọ ọnụ ma ọ bụ nọkọrọ ọnụ were na-eji asụsụ abụọ ma ọ bụ karịa enwe mmekọrịta. Ọtụtụ ụmụ amaala Igbo bụ ndị ọsụmabụọ site ka nchọpụta e mere si gosi. Nke a mere mmafenye asụsụ jiri na-apụta ihe n'uju n'etiti ha oge ọ bụla ha na-ekwu okwu ma ọ bụ na-akparịtaụka. Ụfọdụ n'ime ha na-asụkarị asụsụ Bekee mgbe niile ma n'ụlọ ọrụ, n'ọgbakọ, n'ezi na ụlọ na n'ọgbakọ dị iche iche. Ha na-asụ, ha a na-amafenye n'asụsụ Igbo na Bekee etu ọ masịrị n'ụzọ dị iche iche iji mee ka mkparịtaụka ha na-aga were etu ha chọrọ na n'imekwa ka ndị ha na ha na-akparịtaụka na-aghọta ha nke ọma. Nke a mere ka ọtụtụ ụmụ amaala Igbo ghara ịma aha a na-akpọ ọtụtụ mkpụrụokwu Igbo n'asụsụ Igbo kpọmkwem. Ọ bụ ya kpatara ha ji ewebata mkpụrụokwu Bekee n'ike n'ike n'asụsụ Igbo mgbe ha na-ekwu okwu iji mee ka ọ dịrị ha mfe ma gakwaara ha were n'ọnụ. Lee ọmụmaatụ ndị a:

i. This girl adịghị anụcha ihe - "This girl is deaf."
ii. This type of insult o nyere ha adabaghị -
"This type of insult he/she gave them is not proper."
iii. Mmiri mara ha yesterday soaked their clothes –
"The rain that beat them yesterday soaked their clothes."

## 6.6 Ngwakọ

Ngwakọ bụ mmadụ ịghakọ ma ọ bụ gwakọrịta mkpụrụokwu asụsụ abụọ ma ọ bụ karịa ọnụ mgbe ọ na-ekwu okwu ma ọ bụ na-akparịtaụka. Mbah, Mba, Ikeokwu, Okeke, Nweze, Ugwuona, Akaeze, Onu, Eze, Prezi na Odii (2013:29) kọwara ngwakọ dị ka "ịghakọ asụsụ abụọ ma ọ bụ karịa ọnụ mgbe a na-ekwu okwu, nke anaghị agbanwe okwu a kpụ n'ọnụ." Nke a na-apụta ihe mgbe okwuu enweghị ike ịchọtali mkpụrụokwu dabara adaba nke ọma n'ihe ọ na-ekwu n'asụsụ nne n'ihi na ọ ka wee chọtali mkpụrụokwu dofọrọ ya ahụ n'asụsụ mbunobi ya (Olaruntoba-Oju, 1999). Kari (2002) kọwara ya dị ka okwuu iji asụsụ abụọ ma ọ bụ karịa wee na-akparịtaụka esepụ aka mgbe ụfọdụ. Ngwakọ bụ ihe pụtara ihe n'uju n'ebe e nwere ndị ọsụmabụọ n'obodo. Ọtụtụ ụmụ amaala Igbo bụ ndị ọsụmabụọ maka na ha na-agwakọta asụsụ Igbo na asụsụ Bekee n'ebe ọ dị ukwu. Lee ọmụmaatụ:

i. Today, Chike jere that ozi -
"Today, Chike went for that errand."
ii. Anyị na-eje meeting – "We are going to meeting."
iii. Ada kpọgara ya court – "Ada dragged him/her to court."
iv. Hụ onyenkuzi na class – "See the teacher in the class."
v. Bịaghachi next Mọnde – "Come back next Monday."
vi. Anyị na-eje ịhụ governor -
"We are going to see the governor."
vii. Green bụ colour m họọrọ -
"Green is the colour I chose."

## 6.7 Pijin

Pigin so n'ime ihe izizi na-apụta ihe na mmekọrịta asụsụ na ibe ya. Nke a sokwa metụta mmekọrịta asụsụ Igbo na Bekee. Ọ bụ asụsụ dị mfe nke enweghị ndị ọ bụ nke ha e si n'asụsụ abụọ ma ọ bụ karịa mepụta iji nwee ike ime mmekọrịta mgbe ndị mmadụ na-asụ asụsụ dị iche iche bịakọtara ọnụ. Ya bụ, ọ bụ asụsụ dị mfe e mepụtara site na mmekọrịta na mbịakọta ndị mmadụ dị iche iche si n'obodo dị iche iche na-asụ asụsụ dị iche iche wee nweta nke na-enye aka na mmekọrịta n'etiti ha. Yule (1996) kwenyere na pijin bụ ụdịdị asụsụ (ịma atụ, Inglish) nke e mepụtara maka iji nwe mmekọrịta dị ka azụmahịa n'etiti ndị mmadụ ndị nwere ọtụtụ mmekọrịta mana ha amaghị asụsụ nke onye ọ bụla. Tamunobelema (2015) kwenyere na

pijin bụ asụsụ mmekọrịta nke ndị na-asụ ya, o nweghị onye ọ bụ asụsụ mbụ ya. Pijin enwechaghị ndokọ keụtọasụsụ ukwu. Mkpụrụokwu ya ebukaghị ibu n'ọnụọgụ. Appel na Muysten (1987) kwuru na pijin bụ asụsụ penatara na mkpụrụokwu nke e ji enwe mmekọrịta n'etiti ndị ọsụụ asụsụ dị iche iche. N'obodo asụmigwe dị ka ọ Naịjirịa, asụsụ na-achakpadokarị asụsụ ndị ọzọ na-abụ asụsụ mbịambịa, ebe ndị nke ọzọ na-abụ ndị a chakpadoro ma ọ bụ anyagidere. Site na mgbe asụsụ Bekee jiri gbadata na mpaghara n'ọwụwa anyanwụ Naịjirịa, ebe a na-asụ asụsụ Igbo kpọmkwem ka e jiri sụwa pijin ma were ya na-enwe mmekọrịta. Ka ọ dị n'ụbọchị taa, pijin agazuola ala Igbo niile na nsọtụrụ ime obodo dị iche nke bụ na ma ndị gụrụ akwụkwọ ma ndị agụghị akwụkwọ na-asụzị ya n'ebe ọ dị ukwu, ma n'ọma ahịa, okporo ụzọ, n'ụlọ ụka, n'ụlọ akwụkwọ, n'ọgbakọ dị iche iche na kwa na mmemme dị iche iche. E ji ya were na-adọbi ihe ọ bụla nwere ike ibute ọgbatauhie nyere mmekọrịta mmadụ na ibe ya na mpaghara ala anyị. Ya bụ, e ji ya enwe mmekọrịta n'etiti ndị mmadụ ndị anaghị aghọtacha asụsụ Bekee nke ọma. Lee ọmụmaatụ:

| | **Pigin** | **Asụsụ Bekee** |
|---|---|---|
| i. | Make u say de tim | Say that thing. |
| ii. | Abeg give me | Please give me. |
| iii. | You dey mad | You are mad. |
| iv. | I no carry last | I am always on top. |
| v. | Your cloth dey smell | Your cloth is smelling. |

## 6.8 Asụsụ inweta ndị ọsụụ n'obodo

Nke a bụ ebe asụsụ nwetara ndị ọsụụ na-asụ ya kpọmkwem n'obodo. Ọ na-apụta ihe ebe asụsụ nke abụọ bụ asụsụ ndị nne na nna na-asụzị bụ nke ha mụnyere ụmụ ha na ya ma werekwa ya zụlite ha. N'ala anyị Naịjirịa, asụsụ Bekee e nweela ndị ọsụụ n'ihi na obodo webatara ya ma nye ya ọnọdụ dị oke elu karịa asụsụ mpunaala ndị ọzọ. Asụsụ Bekee enweela ndị na-asụ ya dị ka asụsụ a mụnyere ha na ya n'ihi na ndị nne na nna mụrụ ha bụ ya ka ha na-asụ mgbe niile ma werekwa ya zụlite ụmụ ha. N'ihi nke a, asụsụ Bekee agbanyela nnukwu mgbọrọgwụ ma nọdụkwa n'ogo dị elu karịa asụsụ mpunaala ndị ọzọ anyị nwere n'obodo anyị Naịjirịa. Nke a were bụrụ ihe ihere na ihe mwute nyere ọnọdụ asụsụ mpunaala anyị nke mmekọrịta asụsụ wetere. N'ụbọchị a, a bịa n'ezi na ụlọ dị iche iche, ndị nne na nna na-enwe aṅụrị na ụmụ ha na-asụ Bekee dị ka asụsụ mbụ ha, mana ha amaghị ka e si asụ asụsụ nne ha ma ọ bụ asụsụ epum ha. Nke a na-

apụta ihe n'ụlọ akwụkwọ ụfọdụ dị iche iche ebe a na-egbochi ụmụ akwụkwọ ịsụ asụsụ nne ha. Ụdị akparamagwa a metụtara ndị Igbo n'ụzọ pụrụ iche. Ọ bụ ya mezịrị na ụfọdụ ụmụaka Igbo, tinyekwara ụmụaka si mpaghara agbụrụ dị iche iche jizi asụ naanị asụsụ Bekee dị ka ndị ọsụmotu ma leghara asụsụ nne ha anya.

## 6.9 Mgbochi nsinasụsụ

Mgbochi nsinasụsụ bụ aka mgba ịma otu asụsụ na-echere ịmụta asụsụ ọzọ. Nke a na-apụta ihe mgbe mmadụ ji asụsụ nke abụọ ekwu okwu mana usoro ọdịdị asụsụ mbụ onye ahụ na-eweta mgbochi ma ọ bụ mgbanwe ma ọ bụ nchakpado nyere ọsụsụ asụsụ nke abụọ. Ọ dị mkpa ka a rụtụ aka na ebe ọ bụ na ndị Igbo bụ ndị ọsụmabụọ, nke a na-emetụta ọmụmụ na ọsụsụ asụsụ Bekee mgbe niile n'ihi na asụsụ Igbo na asụsụ Bekee nwere usoro ọdịdị ụdaasụsụ mkpọpụta okwu dị iche iche. A bịakwa na ndokọ mkpụrụokwu, asụsụ Igbo nwere nke ya iche, ebe nke Bekee nwekwara nke ya iche. Ọmụma atụ: n'asụsụ Igbo, e nweghị mgbochiume ọyọ mana n'asụsụ Bekee, e nwere mgbochiume ọyọ. Asụsụ Igbo nwere ụdaume dị asatọ n'ọnụọgụ, ebe Bekee ụdaume dị iri abụọ n'ọnụọgụ. Ya bụ, na onye Igbo ọ bụla na-amụ asụsụ Bekee ga na-enwe ihe ndị ọ ga na-achọpụta bụ ihe mgbochi mgbe ọ na-akpọpụta mkpụrụokwu Bekee ụfọdụ ebitere ebite n'asụsụ Igbo. Ọmụma atụ:

| **Mkpọpụta Igbo** | **Mkpọpụta Bekee** | **Gloss** |
|---|---|---|
| /redʒista/ | /redʒistƏ/ | register |
| /levʊlʊ/ | /levl/ | level |
| /buredi/ | /bred/ | bread |
| /sùkulu/ | /skul/ | school |
| /ɔfısa/ | /ɒfısƏ/ | officer |
| /kɔ̀mitì/ | /kƏmıti/ | committee |
| /rɔbà/ | /rɅbƏ/ | rubber |

N'usoro fọnọlọjị Igbo, a bịa n'ụdaasụsụ okwu mbite ndị batara n'asụsụ Igbo, a na-achọpụta na a na-enwe ihe ndị na-emegasị dị ka ndapụ mkpụrụụdaasụsụ, mwebata ụdaume, nnọchi mkpụrụụdaasụsụ, nsetị ụdaume dgz.

### 6.10 Asụsụ nkarachọ

Nke a na-apụtakarị ihe n’ebe e nwere adịmabụọ. Site n’edemede a, a chọpụtara n’ọtụtụ n dị mmadụ kwetere na ọ dị mkpa na mmadụ ga-amata asụsụ a mụnyere ya nke ọma, mana ka osila dị, ha kwukwara na ọ dị mkpa na mmadụ ga-amatakwa asụsụ Bekee bụ nke ha rụtụrụ aka kpọmkwem na ọ kara baa uru maka azụmahịa, agụmakwụkwọ, mgbasaozi, na mmekọrịta ogo ọha dị iche iche karịa asụsụ a mụnyere onye n’ime ya. Asụsụ nkarachọ a mezịrị ka ndị mmadụ nwezịa oke mmasị n’ịsụ asụsụ Bekee mgbe ọ bụla karịa ịsụ asụsụ Igbo. Nke a mere na ọ bụrụ na nne na nna kaarachọ ịdị na-asụ asụsụ Bekee mụọ ụmụ, ha na-aka asụkarịrị ụmụ ha asụsụ Bekee mgbe ha na-eto. Ọ bụrụ na ụmụaka e siri etu a were zụọ too, ọ na-ahịa ha ahụ ịsụ asụsụ Igbo, nke a na-eme ka ọtụtụ mkpụrụokwu fuo. Dịka Ohiri-Aniche (2008) kọwapụtara na,

> A bịa n’Imo Steeti pecentị asaa ụmụaka dị n’agbata afọ isii na iri na otu, na kwa pecentị iteolu ndị nọ n’agbata afọ ise were badawa anaghị asụ asụsụ Igbo. N’aka nke ọzọ, ọ gakwara n’ihu kwuo na ọnụọgụ ụmụaka Igbo ndị bi na Legọs dị pecentị iri atọ na isena iri ise na ọkara n’otu n’otu, tinyere ọnụọgụ nne na nna pecentị dị iri ise n’Imo Steeti na pecentị dị iri asatọ na Legọs Steeti na-asụ asụsụ Bekee n’ebe ọ dị ukwu ma ọ bụ na-agwakọdo asụsụ Igbo na asụsụ Bekee ọnụ, ha na ụmụ ha mgbe ha na-ekwu okwu.

Ihe nkọwa a pụtara bụ na ọ bụrụ na ụmụaka ndị a tolite bụrụ ndị nne na nna, na ọ ga-esiri ha ike ma ọ bụ hịa ha ahụ ịzụlite ụmụ ha ka ha sụwa asụsụ Igbo. Ihe ọzọ sokwsa asụsụ nkarachọ bụ na ọtụtụ ndị Igbo amaghị ihe a ga-akpọ mkpụrụokwu bekee ụfọdụ n’asụsụ Igbo dị ka record, windo, table, glass, waterproof, tọọchị, yahoo, gmail, email dgz. Ihe ha na-eme mgbe ha ji okwu ndị a akparịtaụka bụ itinye ha etu a ha dị n’asụsụ bekee ka ọ n’ asụsụ Igbo etu ahu

kpọmkwem. Nke a na-enye ohere maka ọnwụ asụsụ Igbo. Ọ dị mkpa ka e bido n'oge gbochie nke a.

## 7. Uru dị na dị mmekorịta asụsụ

Dị ka anyị maara na ọtụtụ mmepe na ihe ọhụrụ na echiche ọhụrụ dị iche iche na-abatazị n'obodo nke na-ebute mmekọrịta asụsụ na kwa mmekọrịta mmadụ na ibe ya. O nwekwara uru a na-enweta site na mmekọrịta asụsụ.

Anyị maara n'otu n'ime njirimara asụsụ bụ na asụsụ nwere ndụ, na-etokwa eto n'ihi na ọ naghị akwụ otu ebe. Ya bụ, mmekọrịta asụsụ na-eme ka asụsụ na-eto eto, ma ghara ịkwụ otu ebe maka na asụsụ kwụrụ otu ebe, ọ gaghị na-egboro ndị nwe ya mkpa nke na-apụta site na mmekọrịta ma na mmepe.

Ọ na-emekwa ka asụsụ mụbaa na mkpụrụokwu e ji asụ ma na-ede ihe. Anyị matara na azụmahịa na njem dị iche iche ndị mmadụ na-eme n'elu ụwa na-eweta mmekọrịta asụsụ. N'ihi nke a mgbe mmekọrịta na-aga, asụsụ na ibe ya na-ebighakọrịta mkpụrụokwu dị iche iche nke ọ bụla enweghị ma webata ha na nke ya. Mgbe nke a na-eme, mkpụrụokwu na-amụba.

Ọ na-enyere ndị nka na ụzụ, ndị ọzụahịa na ndị na-eme njem na mba ụwa dị iche iche aka inweta ihe ha na-achọ.

Ọ na-eme ka obi ndị mmadụ dere jụụ ebe ọ bụla ha na-aga n'ihi na amaka ka ọjọ na ha ga-ahụrịrị asụsụ ha ga-eji enwe mmekọrịta nke pijin bụ ogboọgụ.

Ọ na-eme ka mmekọrịta mmadụ na ibe ya dị mfe ma na-aga werewere mgbe ọ bụla.

## 8. Ọghọm dị na mmekọrịta asụsụ

Ihe ọ bụla nwere uru ga-enwerịrị ọghọm. Ọghọm dị mmekọrịta asụsụ na ibe ya gụnyere:

**Ọnwụ asụsụ**: Asụsụ nwere ike ịnwụ ma ọ bụrụ na ndị nwe asụsụ ahu akwụsịzie ịsụ ya kpam kpam maka ihi na enwere mmekọrịta asụsụ ma chaṅụrụzie asụsụ ọzọ. Ya, ọ dị mkpa na n'agbanyeghị na e nwere mmekọrịta asụsụ Igbo na Bekee, ndị Igbo ga-akawa ahụ na-asụsụ asụsụ Igbo mgbe niile ma na-asụkwara ya ụmụaka ha ka ọ ghara ịnwụ pịị n'ihi na asụsụ Igbo nwụọ, agbụrụ Igbo anwụkwụazị.

**Ọ na-ewetakwa mgbanwe nsirikwu:** Nke a bụ mgbanwe olu n’etu mmadụ si ekwu okwu, ọnọdụ ma ọ bụ ebumnuche okwuu. Nchọcha a, chọpụtara na ụfọdụ ụmụ amaala Igbo amachaghị ka e si akpọpụta mkpụrụokwu Igbo etu o kwesịrị n’ihi na ịsụ asụsụ Bekee mgbe ọ bụla a marala ha ahụ ma baa ha n’ụmị ọkpụkpụ. Ha werezie usoro ndebe olu ndị Bekee si edebe olu werezie na-akpọpụta mkpụrụokwu Igbo ma ọ bụ na-asụzị asụsụ Igbo, ma na-asụkwa Akparamaagwa a jọgburu onwe ya. Ndị dị etu a kwesịrị ihi aka n’anya.

**Nhapụ asụsụ:** Mmekọrịta asụsụ na ibe ya nwere ike bute nhapụ asụsụ. Mgbe ndị mmadụ na-enwe mmekọrịta hapụzịrị asụsụ ha chaṅụrụ asụsụ ọzọ ma kwedosie ya aka ike na-asụ ya oge niile, nke a nwere ike ibute mmadụ ịhapụ asụsụ ya.

## 9. Mmechi

Nchọcha a lebara anya na mmekọrịta asụsụ Igbo na asụsụ Bekee na ihe ndị so ya. Nchọpụta a gosiri na e nwere ihe ndị so mmekọrịta asụsụ Igbo na asụsụ Bekee pụta. Ha gụnyere: mbiteokwu, mkpọhie okwu, asụmabụọ, adịmabụọ, mmafenye asụsụ, ngwakọ, pijin, asụsụ inweta ndị ọsụụ n’obodo, mgbochi nsinaasụsụ na asụsụ nkaracho dgz. Nchọcha a gosikwara na ndị agụghị akwụkwọ sokwa ezipụtakwa mmekọrịta asụsụ Igbo na asụsụ Bekee n’ihi na mgbe a na-agba ha ajụjụ ọnụ na ụfọdụ n’ime ha gosipụtakwara nke a. Ya bụ, na a maka onye Igbo ọ bụla adịla, na asụsụ Bekee nwere etu o siri metụta ya n’ịsụ asụsụ Igbo. Mmekọrịta asụsụ Igbo na asụsụ Bekee mere ka anyị nwee ihe ndị Igbo na-akpọ ‘Ingligbo’. Ya bụ, ngwakọ asụsụ Igbo na asụsụ Bekee. A chọpụtakwara na etu ndị ọsụmabụọ ụfọdụ ndị Igbo si asụzị asụsụ Bekee ka ọ bụ asụsụ mbụ ha mere ka ọ hịaa ha ahụ ịsụ asụsụ Igbo were were n’enweghị ihe mgbu. A gakwara n’ihu wepụta uru na ọghọm si na mmekọrịta asụsụ Igbo na asụsụ Bekee pụta. Nchọcha a gakwara n’ihu tụọ aro ụfọdụ ga-enyekwa aka ime ka mmekọrịta asụsụ na ibe ya ghara ibute ihe mgbu nyere asụsụ.

## 10. Ntụnye alo

Mmekọrịta asụsụ abụghị ihe ọjọọ. Ọ bụ ihe dị mma n’etiti mmekọrịta asụsụ na kwa n’etiti mmekọrịta mmadụ na ibe ya.

Aro nwa nchọcha were bụrụ na ụmụ amaala Igbo kwesịrị ka ha mata n’agbanyeghị mmekọrịta asụsụ Igbo na Bekee, nke mere ka

ọtụtụ ụmụ amaala Igbo bụrụ ndị ọsụmabụọ na ọsụmigwe, na ha ekwesịghị ikwe ka asụsụ Bekee loo asụsụ Igbo. Ha kwesịkwara ịdị na-ezipụta njirimara ha bụ asụsụ Igbo oge ọ bụla. Ya bụ, ha kwesịrị ka ha na-asụ asụsụ Igbo oge ọ bụla ma na-asụkwara ya ụmụ ha oge ọ bụla na n'ebe ọ bụla ma werekwa ya zutoo umu ha. Ọ bụrụ na uche nwa amaala Igbo ọ bụla dị n'ichekwa asụsụ Igbo, o nweghị mgbe asụsụ Bekee ga-esi mee ka ọ nwụọ ma ọ bụ chekpado ya n'agbanyeghị ụdị mmekọrịta ọ bụla asụsụ Igbo na asụsụ Bekee na-enwe.

Ndị ọchịchị ala anyị kwesịkwara inye aka ka asụsụ Bekee ghara ịchakpodo asụsụ mpunaala e nwere n'obodo anyị anya. Ha kwesịrị ịchụwa atụmatụ polisi ala anyị gbasara agụmakwụkwọ ka ọ dịkwa nnukwu ile site n'ime ka e tinyekwa ya n'ọrụ n'ụlọ akwụkwọ dị iche iche na Naịjirịa.

Ụmụ amaala Igbo kwesịrị inwe mmasị n'asụsụ Igbo hụkwa ya n'anya ma na-akwado ya n'ụzọ a bụla ụzọ.

***Christiana Ngozi Ikegwuonu, Chukwuemeka Odumegwu Ojukwu University, IgbariamCampus, Anambra State, Nigeria, ngozichristyikegwuonu@yahoo.com**

## References

Adetuyi, C. A. 2017. Language contact in Nigerian multilingual society. In Bulgarian Journal of science and education Policy (BJSEP). Vol. 11 no. 2.

Adetuyi, C. A. and Adeneran, A. A. 2017. Aspect of semantics of standard British English and Nigerian English: A comparative study. English Linguistic Research 6(3). 5 – 14.

Agbedo, C. U. 2007. *Problems of multilingual nations: The Nigerian perspective*. Enugu: Fidgina Global Books.

Akindele, F. and Adegbite, W. 1999. *The sociology and politics of English in Nigeria: An introduction.* Nigeria: Obafemi Awolowo University Press.

Appel, E. and Muysten, P. 1987. *Language contact and bilingualism.* London: Edward Arnold.

Emenanjo, E. N. 1990. *Multilingualism, minority languages and language policy in Nigeria.* Agbor: Central Books.

Emenanjo, E. N. 2005. Beyond Ọkaasụsụ Igbo: Igbo meta language past, Present and future. In C. Ikekeonwu and I. Nwadike (eds.) Igbo language.

Ikegwuonu, O. N. 2013. Mmụba okwu ọhụrụ: Ụzọ mwulite mkpụrụokwu na nkwalite ututo asụsụ Igbo. In Madu, S. N., *ANSU Journal of Arts and Social Sciences Vol.* 2. no. 1 p. 51 – 62. Faculty of Arts and Social Science, Anambra State University Igbariam campus.

Inuwa, Y. N. 2017. Code-switching of Hausa Bilinguals in diaspora. In Taiwo, O. *Journal of the linguistic Association of Nigeria (JOLAN)* (ed.). Abuja: The Linguistic Association of Nigeria.

Kari, E. 2002. Multilingualism in Nigeria: The example of Rivers State. A paper presented at the seminar on Multilingual

Situation and Related Local Culture in Asia and Africa. Institute for the Study of Language and Culture of Asia and Africa. Tokyo.

Malmkjiner, K. 1992. The linguistics encyclopedia. New York: Routledge.

Mbah, I. K. 2017. Language contact and linguistic borrowing in Igbo legislative domain. In Oye, T. *Journal of Linguistic Association of Nigeria (JOLAN)* vol. 20 no. 1, p. 138 – 149.

Mbah, B. M., E. E. Ikeokwu, e. S., Okeke, C. O., Nweze, I. M., Ugwuona, C. N., Akaeze, C. M., Onu, J. O., Eze, E. A., Prezi, G. O., Odii, B. C. 2013. *Igbo adị: Igbo-English, English-Igbo dictionary of linguistics and literary terms*. Nigeria: University pf Nigeria Press.

Mijinyawa, S. M. and Nahum, U. B. 2012. Languages in contact: English and Hausa in focus. In Ndimele, O. M. (ed.). *Language, Literature and Communication in a dynamic world. A festschrift for Chinyere Ohiri-Aniche*. Port Harcourt: M and J Grand Orbit Communication.

Nkamigbo, L. C. 2018. Fọnọlọjị okwumbite: Okwu Bekee batara n'asụsụ Igbo. In Achebe, N. C. and Enweonye, C. E. *Journal of Linguistics, Language and Igbo Studies* vol. 2. no. 2, p. 45 – 63. Nkpor: Brystevand Publishers.

O'Grady, W. A. Archibald, and Katamba, F. 2011. *Contemporary linguistics: An introduction.* England: Pearson, Abuja. The Linguistic Association of Nigeria.

Ohiri-Aniche, C. 2008. A survey of awareness of language and angerment in Nigeria. In Ndimele, O. M. (eds.) *Critical issues in the Study of Linguistics, Languages and Literature in Nigeria. A Festschrift for Conrad Max Benedit Brann*. Port Harcourt M and J Frand Orbit.

Ọkaasụsụ Igbo 1985. Recommendation of Igbo standardization committee of the society for promoting Igbo language and

culture (SPILC) Nigeria. The Society for promoting Igbo language and culture.

Okorji, R. and Atadoga, F. 2006. Sociolinguistics implication of languages in contact: Igala language experience. In Anagbogu, P. *Awka Journal of Linguistics and Languages (AJILL)* vol. 2, 81 – 89. Awka: Department of Linguistics, Nnamdi Azikiwe University, Awka.

Olaruntoba-Oju, T. 1999. Socio-linguistics: An overview. In Adaobiia, E. (ed.). *The English language and literature in English.* Ilorin: University of Ilorin Press.

Schmied, J. J. 1991. *English in Africa: An introduction*. London: Longman.

Tamunobelema, I. 2015. The English language in Nigeria. In Kamalu, I. and Tamunobelema, I. (eds.). *Issues in the study language literature theory  and practice*. p. 438 0 450. Ibadan: Craft Books.

Uba-Mgbemena, A. 2006. *Ntọala usoroasụsụ Igbo.* Ibadan: Gold Press.

Ukaegbu, E. K. 2018. Linguistic consequences of language contact: The Igbo example. In Achebe, A. N. and Enweonye, C. I. (eds.). *Journal of Linguistics, Language and Igbo Studies* vol. 2. No. 2, p. 64 – 83. Nkpor: Brystev and Publishers.

Williams, C. H. 1991. Linguistic minorities: West European and Canadian perspectives. In Willians, C. (ed.). *Linguistic Minorities, Society and Territory,* p. 1 – 43. Clewedon: Multilingual Matters.

Yule, G. 1996. *The study of language*. UK: Cambridge University Press.